# 33rd Sunday of Ordinary Time-YEAR B- November 14th, 2021
## UKA NKE IRI ATO NA ATO N'OGE NA-ADANYEGHI N'EMUME, AFO NKE ABUO

**IHE OGUGU NKE MBU: Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Daniel (12:1-3)** N'oge ahu ka Maikel ga-ekulite, nnukwu onye nche nke na-eche ndi nke gi. Aga-enwe oge ahuhu nke e nwebeghi udi ya site na mgbe uwa bidoro ruo oge ahu. Ma n'oge ahu, a ga-azoputa ndi nke gi, ndi ahu nile a ga-ahu aha ha n'akwukwo. Otutu n'ime ndi na-arahu ura nke onwu ga-etete, ufodu n'ime ha ga-aba na ndu ebighiebi, ufodukwa ga-ano n'ihere dika ndi a juru aju ebighiebi. Ndi ahu maara ihe ga-achawaputa dika ihè nke eluigwe, ndi ahu siterela na nkuzi ha mee ka tutu buru ndi eziomume ga-achawaputakwa dika kpakpando ebeebe. **Okwu nke Oseburuwa Ekene diri Chukwu.**

**ABUOMA NA AZIZA YA**: **Ps.16/17**
**Aziza: Chekwaba m, Chineke, n'ihina j bu ebe mgbaba m.**

1. So gi, Onyenweanyi, bu oke m na iko m, Gi bu ugwo m ga-erite. Echebere m Onynweanyi n'ihu m mgbe nile Ebe o no n'akanri m egwu agaghi atu m. **Aziza**
2. N'ihi nke a mkpuruobi m no n'onu, mmuo m na-anuri ähi m na-ezukwa ike n'enweghi nsogbu pbula.N'ihina i gaghi agbahapu mkpuruobi m n' ala mmuo, mobu kwe ka onye huru n'anya ree ure. **Aziza**
3. I ga-akuziri m uzo nke ndu, I ga-enye m anuri na-enweghi ube n'ihu gi, n'akanri gi aga m enwe anuri di ebeebe. **Aziza**

**IHE OGUGU NKE ABUO:Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Ozi edegaara Ndi Hibru (10:11-14,18)** Ukochukwu obula na-ano n' oru ya ubochi niile na-achu otu aja ahu ugboro ugboro, aja nke na-enweghj ike isachapu njo. Ma mgbe Kristi chuchara otu aja maka nio, o noduru ala n'akanri nke Chineke. Ebe ahu ka o ga-ano wee ruo mgbe a ga-eme ndjiro ya he mgbakwasaukwu ya. Site n'aja ahu o churu naani otu ugboro, o mere ka ndj nile o doro nso zuo oke mgbe niile. Mgbe a gbagharachaara ihe ndi a, a gaghikwa enwe aja mgbaghara njo ozo. **Okwu nke Oseburuwa Ekene diri Chukwu.**

**MBEKU TUPU OZIOMA- Luke 21:36** *Aleluya, Aleluya!* Nodunu na nche, na-ekpekwany ekpere mgbe niile, ka unu nwee ike iguzo n'ihu Nwa nke mmadu ahy. ***Aleluya!***

**OZIOMA: Ihe ogugu nke a si n'Ozioma di aso nke Mak dere (13:24-32)**
Jesu gwara ndi na-eso uzo ya si, "N'ubochi ndi ahu, oge mkpagbu ahu gachara, anyanwu ga-agba chichiri, onwa agaghi enyekwa ihè ya ozo. Kpakpando nile ga-esite n'eluigwe na-ada, a ga-enughari ike niile nke eluigwe. Mgbe ahu ha ga-ahu Nwa nke mmadu ka o ji ike na ebube ya si n'urukpu nke igwe na-abja. O ga-ezipukwa ndi mmuo oma ya n'akuku ano nke uwa kpokota ndi o hotara site na nsotu niile nke uwa ruo na nspty niile nke eluigwe. Mutanu ihe nkowa site n'ihe osisi fig na-eme. Mgbe obula alaka ya malitere iwaputa ome di nro, na-epuputakwa akwukwo ndu, maranu na udummiri di nso. Otu aka ahu, mgbe obula unu huru ka ihe ndi a na-eme, maranu na o no nso, o norolari n'onuuzo. N'eziokwu agwa m unu, ogbo a agaghi agabiga ruo mgbe e mezuru ihe ndi a nile. Eluigwe na uwa ga-agabiga ma okwu m agaghi agabiga ma oli. O dighi onye ma maka ubochi ahu o buladi ndi mmugoma nke eluigwe, nke o na-abu Nwa nke mmadu, o bu so Chineke n'onwe ya bu onye manu." **Ozioma nke Oseburuwa-Otito diri Gi, Kristi.**

## English:

**FIRST READING**: **A Reading from the First book of Daniel (12:1-3)**
In those days, I, Daniel, heard this word of the Lord: “At that time there shall arise Michael, the great prince, guardian of your people; it shall be a time unsurpassed in distress since nations began until that time. At that time your people shall escape, everyone who is found written in the book. “Many of those who sleep in the dust of the earth shall awake; some shall live forever, others shall be an everlasting horror and disgrace. “But the wise shall shine brightly like the splendor of the firmament, and those who lead the many to justice shall be like the stars forever.”
***The Word of the Lord- Thanks be to God.***

**RESPONSORIAL PSALM**: Ps. 16/17 **R. You are my inheritance, O Lord!**

1. LORD, my allotted portion and my cup, you it is who hold fast my lot. I set the LORD ever before me; with him at my right hand I shall not be disturbed. **R. You are my inheritance, O Lord!**
2. Therefore, my heart is glad and my soul rejoices, my body, too, abides in confidence; because you will not abandon my soul to the netherworld, nor will you suffer your faithful one to undergo corruption. **R. You are my inheritance, O Lord!**
3. You will show me the path to life, fullness of joys in your presence, the delights at your right hand forever. **R. You are my inheritance, O Lord!**

**SECOND READING: A reading from the Letter to the Hebrews (10:11-14. 18)**
Brothers and sisters: Every priest stands daily at his ministry, offering frequently those same sacrifices that can never take away sins. But this one offered one sacrifice for sins, and took his seat forever at the right hand of God; now he waits until his enemies are made his footstool. For by one offering he has made perfect forever those who are being consecrated. Where there is forgiveness of these, there is no longer offering for sin. ***The Word of the Lord: Thanks be God***

**GOSPEL VERSE: Luke 21:36** ***Alleluia, Alleluia***. Be vigilant at all times and pray that you have the strength to stand before the Son of Man. ***Alleluia, Alleluia***.

**GOSPEL: A reading from the holy Gospel according to Mark (13:24-32).**
Jesus said to his disciples: “In those days after that tribulation the sun will be darkened, and the moon will not give its light, and the stars will be falling from the sky, and the powers in the heavens will be shaken. “And then they will see the ‘Son of Man coming in the clouds’ with great power and glory, and then he will send out the angels and gather his elect from the four winds, from the end of the earth to the end of the sky. “Learn a lesson from the fig tree. When its branch becomes tender and sprouts leaves, you know that summer is near. In the same way, when you see these things happening, know that he is near, at the gates. Amen, I say to you, this generation will not pass away until all these things have taken place. Heaven and earth will pass away, but my words will not pass away. “But of that day or hour, no one knows, neither the angels in heaven, nor the Son, but only the Father.” ***The Gospel of the Lord- Praise be to you Lord Jesus Christ.***